***<u>Year C # 771</u>***

***The Pre-Existent Jesus***

***Jisọs Tupu Okike Ụwa***

***031204-1***

*Daalụ Ezi enyim! Nke a bụ Dọrọti-*

Nke a bụ oge dị ịtụnanya iche ihe banyere Onyenweanyị Jisọs Kraist mara mma. Amaghị m ihe Ọ pụtara gị, mana ana m atụ anya na, n'ụbọchị ndi a nke ịnụrụ Okwu Chineke, ị ga-abịaru n'ebe ị ga-ahụta na Ọ bụ naanị Ya pụrụ ịbụ ndụ nke Onye nke Kraist. O mere ihe niile ka anyị wee jaa Ya mma ma fekwa Ya ofufe n'obi anyị, ka anyị ghara nnọ ime nke ahụ naanị n'ọgbakọ ofufe anyị nwere ike jee, kama ka ọ bụrụ na site n'ụbọchị rue n'ụbọchị, anyị na-abịa kpamkpam n'iru Ya site na Mmụọ Nsọ Ya ma sị, *Onyenweanyị, Gị onwe Gị bụ ihe niile. I mezuwo ihe ndia dị ịtụnanya.*

Ị maara, na **Luk isi mbu malite n'ahiri nke iri atọ na otu rue na nke iri atọ na atọ,** anyị gụrụ - **31 Le kwa, i gāturu ime, muta Nwa-nwoke, kpọ aha-Ya Jisus.**

**32 Nwa-nwoke ahu gābu onye uku, agākpọ kwa Ya Ọkpara nke Onye kachasi ihe nile elu: Onye-nwe-ayi Chineke gēnye kwa Ya oche-eze nna-Ya Devid:**

**33 Ọ gābu kwa eze ulo Jekob rue mbẹ ebighi-ebi; ala-eze-Ya agaghi-agwu kwa agwu**

**31 Lee kwa, ị** . . . – n'ikwu banyere Meri - . . . **ga-atụrụ ime, mụta Nwa-nwoke** . . . ọbụnadị nke ahụ bụ ọlụebube nnọ - . . .

**ma kpọ aha Ya Jisọs. -** *Onye ahụ emeworo nchọsi maka Ya; Onye ihe edeworo n'Akwụkwọ Nsọ na-ele anya Ya ma mmadụ niile nọrịsị na-echere ma na-alụsikwa ọlụ ike izute - bụ Mezaia ukwu a nke ga-abịa nihi na naanị Ya bụ Ọsịsa maọbụ Ogbugbo nye ụwa.*

**32 Nwa-nwoke ahụ ga-abụ onye ukwu** . . . *– ma Ọ bụ ya n'owuweanya -* . . . **a ga-akpọ kwa Ya Ọkpara nke Onye kachasị ihe niile elu:** . . . *– nke ahụ bụ Jisọs; nke ahụ bụ Onye anyị na-ekwu ihe banyere Ya, bụ Onye ahụ bịara na Betlehem -* **Ọkpara nke Onye kachasị ihe niile elu; Onye-nwe-anyị Chineke ga-enye kwa Ya oche-eze nna Ya Devid.**

Dịka Jisọs kwuru okwu mgbe emesiri na ndụ Ya nye ndi ahụ ga-akatọ Ya na ndi ahụ ga-achọ igbu Ya, O gosiri na tupu Devid, Ya onwe Ya dịrịị. Ee, . . . a **ga-enye kwa Ya oche-eze nna Ya Devid.** Ee, ọ bụ onye karịrị Devid ka anyị na-ekwu okwu Ya, bụ onye bịara.

**33 Ọ ga-abụ kwa eze ụlọ Jekọb** . . . *– rue ole mgbe? Ọ na-asị ebe a nime Okwu Chineke -* . . . **rue mgbe ebighị-ebi** . . . *– ya bụ, rue mgbe niile, mgbe niile ebighị-ebi! -* . . . **ala-eze Ya agaghị-agwụ kwa agwụ.**

Ana m enwe mkpali ọṅụ nihi na agaje m ịnọ ebe ahụ! Abụ m akụkụ nke ala-eze ahụ ma, ọbụrụ na ị hụrụ Jisọs n'anya, ị gaje ịnọ ebe ahụ, kwa! Ya mere gịnị mere anyị na-ejubiga oke n'ihe nke ndụ a nakwa n'ihe ndi ahụ ga-adọtu anyị n'ala? Gịnị mere anyị na-etufu oge anyị n'iji onwe anyị nye ihe nzuzu ndi na-ezunara anyị ọnọdụ a nime Kraist? Oo, lee ka o si dị mkpa taa na anyị ga-asị, *Ee, Jisọs! Taa, ana*

*m atụ anya ihe ịtụnanya nihi na anọ m nime Gị ma agaje m ịnọkọ mụ na Gị rue ebighị-ebi. Achọrọ m ịhụta ndụ n'ụdị ọzọ dị iche. Achọrọ m ka Okwu Chineke bụrụ ihe dị ndụ nihi na Ị bụ Okwu ahụ. Achọrọ m ka mmekọrịta mụ na Nna m bi n'elu-igwe ịdị n'ụdị na enweghị m ihe ọbụla m na-ezo ezo, ma apụrụ m ilekwasị Gị anya ụtụtụ, ehihie na abalị, ebe m na-amata mmekọrịta dị nro zuru oke nihi Jisọs.*

Jisọs nọ ebe ahụ na-emeghe ụzọ ma na-arịọ ka ụzọ m ghere oghe. Ọ na-asị, "Nwa m, Nwa m, ahụrụ m nwa m n'anya!" Ọ nọghị ebe ahụ na-ama gị ikpe ma na-asị, "I mere nke a ụnyahụ; i kwuru nke ahụ ụbọchị gara aga". Oo, lee ka Ozi Ọma Jisọs Kraist nke a si dị ịtụnanya! Na **Matiu isi mbu ahiri nke mbu** , anyị gụrụ -

**1 Akwụkwọ osuso-ọmụmụ Jisọs Kraist, Nwa Devid, nwa Abraham**

. . . bụ nke emezuru site na mkpụrụ nwaanyị ahụ nke ga-egwepịa isi Ekwensu. Toonụ Chineke! E gbowo mkpa nke nsogbu Ekwensu site n'aka Onyenweanyị Jisọs Kraist. Ee, Jisọs bịara dịka Onye Mgbapụta m. Ọ bụ Onye Mgbapụta gị? Ọ bịara ịkwụ ụgwọ ahụ; Ọ kwụrụ ụgwọ ahụ ma enwere m onwe m. I nwere onwe gị? I nwere onwe gị n'ezie?

Ị maara, Jisọs Kraist bụ Onyenweanyị. Ọ dị nsọ. Ọ bụ Chineke-Onye. Chineke ahụ dị ike . . . anyị gụrụ na **Aisaia isi itolu ahiri nke isii . . . Nna Nke bụ Nna mgbe niile ebighị-ebi, Onye-isi Udo.** Nke a dị ezi ịtụnanya ịhụta na mgbe Ọ nọ n'ụwa ebe a, mgbe Ọ nọ na-agwa Nna Ya okwu, dịka e dere ya na **Jọn isi iri ahiri nke iri atọ** , Ọ sịrị, **Mụ onwe m na Nna m bụ otù..**

Ee, nke a bụ Onye ahụ bịara dịka nwatakịrị na Betlehem. **N'ihi na taa n'obodo Devid ka amụrụ nye unu** . . . - *ụbọchị a ka nke a meworo. Nke a dị ebube! Ọ bụ ihe emezuru wereanya.*

Jisọs – Yeshua - adịwori adị ogologo oge tupu mpụta-ìhè Ya na Betlehem. Ọ maliteghị ebe ahụ. **Jọn isi iri n'asaa ahiri nke atọ** na-asị -

**3 Ma nke a bụ ndụ ebighị-ebi ahụ, ka ha mara Gị, Nke naání Gị bụ ezi Chineke, mara kwa Onye I zitere, bú Jisọs Kraist.** Jisọs bụ onye ejikọrọ Ya na agbụrụ nke na-apụghị ịmụpụta Ya. Jisọs batara nime ya ma bụrụ akụkụ sitere na ya; n'agbanyeghị ọ pụrụ iche kpamkpam site na ya. Ọ nọ mgbe niile ebighị-ebi ya na Nna Ya nakwa Mmụọ Nsọ.

Na **Jọn isi iri n'asaa ahiri nke ise**, anyị gụrụ - **Nna, Gị onwe gị were kwa otuto nke M'nwere n'ebe Ị nọ mgbe ụwa a ka-adịghị nye m otuto ugbu a n'ebe Gị onwe Gị nọ.** Ma n'**ahiri nke iri abụọ na otu** nke isi-akwụkwọ ahụ, anyị gụrụ etu Jisọs jiri bata nime ụlọ-ikwu ahụ, ịnọdụ ala na ịbụ akụkụ nke agbụrụ mmadụ - **ka ha niile wee bụrụru otù; dịka Gị onwe gị dị nime m, dịka Mụ onwe m dị kwa nime Gị, Nna, ka ha onwe ha wee dị kwa nime Anyị: ka ụwa wee kwere na Gị onwe gị zitere m.**

Nke a bụ oké mgbanwe na-alụsi ọlụ ike. N'oge ugbua n'afọ ọ dị mkpa na anyị bụ Nzukọ Ya ghọtara site n'ụzọ Chineke si ahụta ihe, ihe mere e jiri zite Ọkpara Ya, nakwa ihe Ọ na-eme nime ndụ ndi ahụ kụrụwo

Ọbara Jisọs dịka Onye Nzọpụta ha; ka e wee ghọta ngwa ngwa ọ dị na Ọ na-achịkọta ihe-ịkụ ahụ nye onwe Ya.

*Otuto niile dịrị Jisọs, bụ onye anyị hụrụ n'anya rue ebighị-ebi. Amen.*